IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Nnukwu Mgbidi Nehemaịa



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Jonathan Hay
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Mary-Anne S.

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Peshia, mba dị ike nke ukwu, chịrị ụwa. Ma eze Ataksakses chịkwara Peshia. Nke ahụ mere ka ọ bụrụ onye-ọchịchị kachasị ike n’ụwa. Otu n’ime ndị nyeere eze aka bụ onye Juu aha ya bụ Nehemaịa. Ọrụ ya bụ idetu nri eze ire iji chebe eze ka a ghara inyegbu ya na nsi.



Otu ụbọchị, Nehemaịa ji iru dị mwute bịa n’ihu eze. Eze chọrọ ịma ihe na-eme ya. “Eze, ka ị dị ndụ ruo mgbe ebighị ebi,” ka Nehemaịa kwuru. “Ọ na-ewute m n'ihi na obodo e liri nna m bụ mkpọmkpọ ebe, agbawokwa ọnụ ụzọ ámá ya ọkụ.” Nehemaịa na-ekwu banyere Jerusalem, bụ́ nke agha bibiri ọtụtụ afọ gara aga.



Eze Ataksakses wee sị, “Gịnị ka ị chọrọ?” Nehemaịa rịọrọ sị, “Ka m gaa Jerusalem ka m wee wughachie ya.” Eze Ataksakses ji obiọma kweta. O nyekwara Nehemaịa akwụkwọ ozi iji chebe ya ka ọ na-eme njem.



Eze nyere aka karịa. O nyekwara Nehemaia akwụkwọ-ozi nye Esaf, bụ onye na-eche oké ọhia eze. E nyere Esaf iwu ka o weta osisi ole Nehemaịa rịọrọ ka e jiri wuo mgbidi obodo ahụ.



Mgbe Nehemaịa bịarutere Jerusalem, ọ kpọkọtara ndị isi obodo ahụ niile wee sị: “Anyị nọ ná nsogbu n’ebe a, obodo a bụzi mkpọmkpọ ebe, ọnụ ụzọ ámá agbaala ọkụ, ka anyị malitenu iwughachi ya.”  Ọ gwara ha na Eze Ataksakses kwadoro na, nke kasị mkpa, Chineke nọnyeere ha.



Okwukwe Nehemaịa na ịnụ ọkụ n’obi ya akpaliela mmụọ ndị mmadụ.  Ha niile kwetara sị, “Ka anyị wughachienu ya.”  Nehemaịa gwara ezinụlọ nke ọbụla akụkụ mgbidi ahụ nke ha ga-edozi.



Mana, ọ bụghị mmadụ niile kwetara ịwughachi mgbidi ahụ. Otu nwoke aha ya bụ Sanbalat na ndị enyi ya abụọ Tobaịa na Geshem abụghị ndị Juu, ha achọghịkwa ka e wughachi mgbidi ahụ,



ha achọghịkwa idozi ọnụ ụzọ ámá ahụ.

Ka ọrụ ahụ na-aga, Sanbalat were iwe nke ukwuu. Ya na ndị enyi ya kwara ndị Juu emo. Tobaịa wee sị, “Mgbe ha wusiri mgbidi ahụ dị ntà, otù nkịta-ọhịa ntàkịrị ga-etiwa ya.” Nehemaịa azaghị ya. Kama, o kpere ekpere ka Chineke mesie ha ike.



Mgbe mkparị ha akwamemo ha na-enweghi ihe ọbụla o mepụtara, ha kpara nkata ibuso Jerusalem agha ma mee ka ọgba-aghara dị otu o kwere ha ime. Ọzọ, Nehemaịa kpere ekpere ka Chineke nyere ya aka. O debekwara onye-nche ebe ahụ ehihie na abalị ka e wee ghara ịwakpo ha n’atụghị anya.



Ndị Juu rụsiri ọrụ ike, ike wee na-agwụ ha. Ụfọdụ tụrụ egwu na ndị iro ga-abịa gbuo ha ka ha na-arụ ọrụ. N'agbanyeghị nke ahụ, Nehemaịa akwụsịghị ọrụ ahụ. O tinyere ndị-nche gburugburu ndị ọrụ ahụ ma chetara ha na Chineke nọnyeere ha na Chineke dị ike karịa onye iro ọbụla!





Nehemaịa gbalịrị ịbụ ezi ihe nlere-anya. Ataksakses, bụ eze, mekwara ya ka ọ bụrụ onye-isi Jerusalem, nyekwa ya ike ịnata ihe-oriri na ego n'aka ndị Izrel, ma o meghị nke a. Naanị ihe o mere bụ iso ndị mmadụ rụghachi mgbidi ahụ. O ji ego nke ya zụta nri.

N'ikpeazụ, ndị mmadụ rụchara mgbidi ahụ, ọ fọdụzia naanị ọnụ ụzọ nke a ga-etinye n'ime ọnụ ụzọ ámá ahụ. Mgbe Sanbalat na Tobaịa na Geshem nụrụ na ọ dịghị oghere dị na mgbidi ahụ, ha zubere imerụ Nehemaịa ahụ.



Ha zipụrụ ozi ka Nehemaịa zute ha n'ebe a na-akpọ Ono. Ma Nehemaịa maara na ha na-agbalị ịghọgbu ya pụta n'obodo ahụ ka ha nwee ike imerụ ya ahụ́. O degaara ha akwụkwọ ozi gwa ha na ya agaghị ahapụ ọrụ ahụ ka ya na ha gaa nzute.




E mesiịrị wuchaa mgbidi ahụ niile,
Nehemaịa wee debe ndị-nche maka ichebe ya.


O mekwara iwu ka
a ghara imeghe
ọnụ ụzọ ámá ahụ
ruo mgbe
anwụ
gachara.
N'abalị
niile, a ga na-emechi ha
emechi ma tinyekwa
ha ihe-mgbochi.

Ugbua, obodo ahụ dịrịla na nchebe, ọtụtụ ndị Juu a dọọrọ n’agha si n’akụkụ dị iche iche nke ụwa laghachiri na Jerusalem.  Ọ ga-abụrịrị na obi dị Nehemaịa ụtọ na ya arụchaala ọrụ Chineke nyere ya n’agbanyeghị ihe mgbochi niile.

Ọ nọgidere na Jerusalem ma na-enyere ndị Izrel aka irubere Chineke isi mgbe niile.



# Nnukwu Mgbidi Nehemaịa

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Nehemaịa

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie.  Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi.  Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia!  O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi!  O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.